# Ọrụ enyemaka Iwu Ịkwaga Mba Ọzọ Bụ N’efu Na SJSU

### Ebe Enyemaka Ụmụ akwụkwọ UndocuSpartan

---

**Ọrụ enyemaka gbasara iwu ịkwaga na mba ọzọ kpọmkwem dịrị Ụmụ akwụkwọ CSU NILE n'efu, ndị nke gụchabụrụ n'ụlọ akwụkwọ ọhụrụ, ndị ọrụ, na ndị ezinụlọ ha kpọmkwem.** Na Mahadum San Jose Steeti, ndị mmadụ nwere ike ịhazi oge ịhụ onye ọkaiwu na-ahụ maka ịkwaga na mba ọzọ site na Ngọpụ Nke Iwu Ndị Nkwabata(ILD), otu ụlọ ọrụ na abụghị maka uru ndị wepụtara onwe ha na-enye ọrụ enyemaka iwu ịkwaga na mba ọzọ n’efu.

**ILD nwere ike inye nzukọ ndụmọdụ nke onye ọkachamara nakwa nnọchịanya ikpe na ụfọdụ ikpe nke ndị kwagara na mba ọzọ. Ọrụ enyemaka (gụnyere mana ọbụghị naanị nke):**

- Nyocha Ntozu Ịhapụ Ndị Kwabatara Na Mba
- Ngọnarị ebubo (ụlọikpe) nke ndị anwụchịrị na ndị a na-anwụchịgha agbara ụgbọ nwamkpị
- Ọnọdụ maka Mbata Ụmụaka (DACA)
- Nhapụ  maka Nlaghachị Na Mba ỌzỌ
- Ọnọdụ Nchekwa nke Nwa oge (TPS) maọbụ Nhapụ Ọnụnọ’ Nwa oge (DED)
- Ọnọdụ Ọnụnọ Pụrụ Iche Maka Ụmụaka Kwabatara na mba agbahapụrụ (SIJS)
- Mkpesa nke Ezinụlọ
- U na T visas
- Mkpesa nke VAWA
- Onye gbara ọsọ ndụ/Onye gbapụrụnụ
- Ntinye Akwụkwọ maka Ọnọdụ Obibi Na-adigide nke Iwu kwadoro
- Ịbụ Onye Amaala

**Ọrụ enyemaka dịịrị ụmụ akwụkwọ SJSU NILE N'EFU, ndị gụchabụrụ n'ụlọ akwụkwọ ọhụrụ, ndị ọrụ, ngalaba ụlọ akwụkwọ, na ndị ezinụlọ ha kpọmkwem.**

Ị nwere ike ịrịọ maka nkwado ntụgharị okwu n’akwụkwọ nnabata nhazi nzukọ.

**Iji rịọ maka oge nzukọ gaa na weebụsaiti UndocuSpartan na:sjsu.edu/undocuspartan/**

Kpọtụrụ Ebe Enyemaka Ụmụ akwụkwọ Undocuspartan ma ọ bụrụ na ị nwere ajụjụ ọ bụla.

Ebe Enyemaka *UndocuSpartan Ụmụ akwụkwọ, Mahadum Steeti San Jose*
*One Washington Sq, San Jose, CA 95192-0196*
*Clark Hall 100 F/G* ***ekwenti:*** *408-924-2762* ***E*** *undocuspartan@sjsu.edu*

## Ajụjụ Ndị A Na-ajụkarị

**Kedu onye nwere ike iji ọrụ enyemaka Iwu Ịkwaga na mba ọzọ n'SJSU?**

Ụmụ akwụkwọ SJSU NILE, **ndị gụchabụrụ n'ụlọ akwụkwọ ọhụrụ, ndị ọrụ, ngalaba ụlọ akwụkwọ, na ndị ezinụlọ ha kpọmkwem (gụnyere ndị nne na nna, ụmụnne, nwunye/di, ụmụaka, na/maọbụ onye nlekọta nke iwu kwadoro)** Ọrụ enyemaka ga-adị ruo afọ nile.

**Kedu ka m ga-esi edebanye aha m maka nhazi oge izute ndị ọrụ enyemaka iwu?**

Ndị mmadụ nwere ike ịrịọ ịhụ Onye ọkaiwu na-ahụ maka Ngọnarị ebubo n'ụzọ Iwu nke ndị si Mba ọzọ kwabata (ILD) site n'weebụsaịtị anyị [sjsu.edu/undocuspartan/](sjsu.edu/undocuspartan/) n'okpuru ebe Enyemaka > taabụ nke Ọrụ enyemaka Iwu

**E nwere m ike izute onye ọkaiwu na-ahụ maka nkwabata na mba ọzọ na abụghị ụbọchị akara ịhụ ya ma ọ bụrụ na oge adịghị maka okwu m?**

Ee. Onye ọ bụla nwere ike ime ka anyị mara nke kacha arụrụ ha ọrụ n'ebe ndebanye okwu nke akwụkwọ ndebanye aha. Onye ọ bụla nwekwara ike izitere anyị ozi intaneti na [undocuspartan@sjsu.edu](mailto:undocuspartan@sjsu.edu) maka ozi ndị ọzọ.

**Kedu ka oge nzukọ ga-esi aga?**

A ga-eme nzukọ ịhụ ndị ọkachamara nile n'ekwentị maọbụ na zoom ruo mgbe a ga-enye ọkwa ọzọ.

**Kedu ka m ga-esi ahazịrị otu onye otu ezinụlọ oge nzukọ? *Atu. Nne na nna/onye nlekọta, nwanne nwoke/nwanne nwanyị, di/nwunye, nwatakịrị***

Ụmụ akwụkwọ, ndị gụchabụrụ n'ụlọ akwụkwọ ọhụrụ, onye ọrụ, nakwa ebe ngalaba ụlọ akwụkwọ nwere ike idebanye aha na nnọchite anya onye otu ezinụlọ Mgbe ị na-ahazi oge nzukọ, biko gbaa mbọ hụ na itinyere ozi mkpọtụrụ kacha amasi onye otu ezinụlọ ka ndị ILD nwee ike ịkpọtụrụ ha kpọmkwem n'oge akara ya.

**Ekwesiri m ịkwụ ụgwọ ndụmọdụ onye ọkachamara maọbụ maka nnọchiteanya n'ikpe nkwaga na mba ọzọ?**

**Mba.** Ndụmọdụ ndị ọkachamara nile, oge akara aka nakwa nnọchite anya ikpe bụ n'efu maka ụmụ akwụkwọ SJSU, ndị gụchabụrụ n'ụlọ akwụkwọ ọhụrụ, onye ọrụ, ebe ngalaba ụlọ akwụkwọ na ndị otu ezinụlọ ha kpọmkwem. Naanị ụgwọ onye ahịa ga-akwụ nwere ike  ịbụ ego ịkwaga na mba ọzọ.

**E nwere m ike ịrịọ ikwuru ọkaiwu n'asụsụ na abụghị asụsụ Bekee?**

**Ee.** Ndị ILD ga agbalịsị ike iji nweta ọkaiwu onye na-asụ asụsụ achọrọ maọbụ kpọta onye ọkachamara na nsụgharị okwu iji nye aka n'asụsụ ọ bụla arịọrọ. Biko jiri ebe ndebanye okwu dị n'akwụkwọ nnabata gosi asụsụ kacha amasi gị maka ndụmọdụ onye ọkachamara nakwa ma ọ bụrụ na enwere ike mgbanwe ọzọ achọrọ maka oge akara aka ahụ.

**Gịnị bụ Nyocha Ntozu Ịhapụ Ndị kwabatara na mba?**

Ndị mmadụ ndị na-abụghị ndị amaala U.S. ugbu anwere ike ịrịọ maka oge nzukọ iji mụta banyere ntozu maka ọnọdụ ịkwaga na mba ọzọ ha nke nwere ike inwetara ha ụzọ ga-enye ha ikike Ibi na obodo U.S. na nnọgide, ịbụ onye amaala, maọbụ ụzọ ndị ọzọ eji ahapụ ndị kwabatara na mba ọzọ. Ndị ahịa ga-enwetakwa ozi maka usoro ndị ọzọ ha ga-eme iji wee malite ikpe ha.

Ebe Enyemaka *UndocuSpartan Ụmụ akwụkwọ, Mahadum Steeti San Jose*
*One Washington Sq, San Jose, CA 95192-0196*
*Clark Hall 100 F/G* ***ekwenti:*** *408-924-2762* ***E*** *undocuspartan@sjsu.edu*

**A bụ m onye gụcharabụrụ n’ụlọ akwụkwọ; a ka m nwere ike ịnweta nkwado iwu n’efu site na Ọrụ enyemaka Iwu nke ndị CSU?**

Ee. Ndị guchabụrụ n’ụlọ akwụkwọ ọhụrụ ndị gụchara n’ime afo abụọ gara aga nwere ike ịnweta Ọrụ enyemaka Iwu ịkwaga na mba ọzọ nke ndị CSU site na ILD.

**Ọ bụrụ na ahụla m onye ọkaiwu na-ahụ maka ịkwaga na mba ọzọ, a ka m nwere ike iji Ọrụ enyemaka Iwu Ịkwaga na mba ọzọ nke ndị SJSU?**

Ee. Ndị mmadụ n'otu n'otu nwere ikike iwu ịchọ ndụmọdụ gbasara iwu nke abụọ ma ọ bụ gbanwee ndị nnọchite anya iwu ha ma ọ bụrụ na ha chọrọ ime ya.

**E nwere ego dịnụ ụmụ akwụkwọ SJSU ga-eji akwụ ụgwọ ego ntinye akwụkwọ $495 maka DACA?**

Ee, ego dị maka ụmụ akwụkwọ ndị debanyere aha ha na SJSU. Ndị otu ezinụlọ ndị na-edebabeghị aha ha n’SJSU etozụghị ịnata ego, mana ọ nwere ike jụta ndị ILD kpọmkwem iji hụ ma enwere enyemaka ego ọzọ dịnụ na abụghị n’ụlọ akwụkwọ nke ndị SJSU. Iji rịọ maka enyemaka ego DACA site na SJSU, biko dezuo akwụkwọ ozi anyị (ị ga-abanyerịrị n’ozi intaneti SJSU gị). Nweta Ego Enyemaka nke DACA Ịnara Site n’ebe a: https://forms.gle/Mu1afH4bw36pQDHd8

**E nwere mmachibido na nhazi oge nzukọ ole anyị nwere ike ime na ILD?**

Mba. Ị nwere ike ina ọtụtụ oge nzụkọ dịka ọdị mkpa na ILD ma site na USRC maọbụ site na onye ọkaiwu ILD gị kpọmkwem.

---

Ebe Enyemaka *UndocuSpartan Ụmụ akwụkwọ, Mahadum Steeti San Jose*
*One Washington Sq, San Jose, CA 95192-0196*
*Clark Hall 100 F/G* ***ekwenti:*** *408-924-2762* ***E*** *undocuspartan@sjsu.edu*